# MKPA Ọ DỊ IZULITE ỤMỤAKA N'ỊSỤ ASỤSỤ IGBO

**Christian E. C. Ogwudile**
**Ngalaba Ọmụmụ Asụsụ Igbo, Africa na Nzikọrịtaozi**
**Mahadum Nnamdi Azikiwe, Ọka**
**08037468693**
**cec.ogwudile@unizik.edu.ng**

**Ụmịedemede**

*Ihe nụrụ ọchọcha ọkụ n'obi ịbagide na nchọcha a bụ na sọ ndị okenye ka a na-ahụzị n'ọtụtụ obodo n'ala Igbo taa na-asụ asụsụ Igbo. Ọtụtụ ụmụaka Igbo amaghị ka e si asụ ma ya fọdụzịa ide asụsụ Igbo. Ihe kpatara nke a bụ n'ihi na nne na nna ndị ụmụaka ndị a nọ n'okpuru ha anaghị ekwe ka ụmụaka mụta ma ọ bụ sụọ Igbo. Ụdị agwa ọjọọ a juru ma n'obodo mepere emepe ma nke emepeghị emepe. Nkọwa a zipụtara na nwa ọ bụla a mụrụ zuru oke nwere ngwa dị ya n'ụbụrụ nke ọ ga-eji amụta asụsụ. N'ihi nke a, ọ dị oke mkpa isite na nwata dubanye nwata n'asụsụ ebe a mụnyere ya. Nke a ga-enyere ya aka ịmụta asụsụ ọ bụla e buru ụzọ rupunye n'ime ya. Ọ ga-enyekwara ya aka ka ọ mụta ihe ndị ọzọ o kwesiri ịmụta mgbe ọ na-eto. A gbasoro usoro sọvee wee mee nchọcha a. Nchọpụta gosiri na ọ bụrụ na ụdị ọnọdụ a adịrị gawa, a gaghị enwe mmasị n'asụ ma ya fọdụ ide asụsụ Igbo n'ihi na mgbe ndị okenye na-asụ Igbo nwụchaara, asụsụ Igbo ga-esokwara nwụọ pịị; mgbe ahụ ihe a na-afụ apịaa. Alo ọchọcha wee bụrụ na ndị Igbo pụrụ ịgbanahụ ọnwụ asụsụ ha ma ọ bụrụ na e bido na nwata mee ka ụmụaka Igbo nwee mmasị ịsụ, ịgụ na ide asụsụ Igbo. Ha ga na-eme nke a ma n'ezinaụlọ, n'ụlọ akwụkwọ, ụlọ ụka, ụlọ ọrụ, ụlọ ahịa na ebe niile ha nwetara onwe ha. Ime nke a ga-enyere aka ime ka asụsụ Igbo digide ghara ịnwụ.*

**Mmalite**

Ọ bụ ndị nwe asụsụ ka ikwalite na ime ka asụsụ ahụ na-eto were aga n'ihu dịịrị n'ihi na onye arachaghị ọnụ ya, ụgụrụ anara ya rachaa. Ọtụtụ asụsụ na Naịjịrịa dị ka Ani (2013:34) n'ime Akidi (2018:41) anwụọla, bịa n'isi njedebe, ebe ụfọdụ bụ sọ ụfọdụ ndị okenye na-asụ ya. Okwu ya na-egosi na asụsụ ọ bụla ọ bụ naanị ndị okenye na-asụ, tinyere isi n'olulu ọnwụ. Dị ka Mbah na Mbah (2014:112) kwurru "mgbe onye ikpeazụ na-asụ asụsụ ahụ nwụrụ, asụsụ ahụ ga-abịazị na njedebe".

Ụzọ kacha mkpa isi gbochie onwụ asụsụ bụ ime ka ụmụaka mara uru asụsụ ha bara, na-asụ ma na-ede ya ka ọ ga-abụ mgbe ha toro, ha agaghị ahapụ asụsụ ha aka. Akwụkwọ Nsọ, (Ilu 22:6) dị ka Akidi (2018) kwuru, ka a zulite nwata n'ụzọ ọ ga-esi too, mgbe o toro, ọ gaghị ahapụ ụzọ ahụ. Ọ bụrụ na ndị Igbo jiri asụsụ Igbo malite na-azụ ụmụ ha, ha ga-ama na ọ bụ asụsụ ha, marakwa na ọ bara uru nke ukwuu na ndụ ha. Arisaukwu (2003) kwuru na asụsụ Igbo dị nnukwu mkpa n'ebe onye ọ bụla nọ, ọ kachasị n'ebe ndị na-eto eto nọ. Okwu ya mere eme n'ihi na ọ bụ ha bụ ndị na-eto eto ga-abụ ndị okenye n'ọdiniihu. Ọ bụrụ na ụmụaka ndị a e jiri ịsụ asụsụ Igbo too, o nweghị ihe a ga-achọ achọ n'ebe asụsụ Igbo dị n'ọdiniihu.

Ọtụtụ ezinaụlọ ndị Igbo taa ejighi asụsụ Igbo kpọrọ ihe. Ha na-ahụ ya ka asụsụ rụrụ arụ, etosighị ka a na-asụ na be ha. Ụdị agwa a nne na nna na-akpaso asụsụ ha jogburu udele ma sigbuo nkakwụ n'isi. Chinagọrọ (2009:4) kwuru na "ụfọdụ oge a na-ahụ ndị ezinaụlọ ụmụ ha na-amaghị asụ Igbo ma ọ bụ ha enweghị mmasị na ndụ onye Igbo". Nwata tosiri isite n'ezinaụlọ buru agwa ọ ga-akpa n'ezi pụta ama. Mgbe e sitere n'ezinaụlọ kụnye mkpọrọmasị na nwata ebe asụsụ Igbo dị, o nweghị ka nwa ahụ ga-esi too hụkwa sụsụ Igbo n'anya. Otuto asụsụ bụ ma a na-asụ ya mgbe niile ma na-enyefe ya n'aka ndị na-eto eto. Emenanjo (1996:17) kọwara na asụsụ ọ bụla na-eto na-aga n'ihu ma a na-asụ ya ebe niile na mgbe niile, were ya na-ede ederede dịgasị iche ma na-akọwa ederede ndị ahụ n'elu ụwa niile. Mgbe ọ bụla a kwụsịrị ịsụ asụsụ ọ bụla, asụsụ ahụ anwụọ pịị. N'ihi nke a, ọ bụrụ na ndị Igbo egbochie ụmụ na-eto eto ịsụ asụsụ Igbo, n'oge adịghị anya asụsụ Igbo abụrụ ihe mgbe ochie, nwụnyụọ anya. Agụgụ (2006) kwuru na ezinaụlọ bụ ebe mmalite nkuzi na ọmụmụ, nke na-adị n'etiti ndị nne na nna na ụmụaka ha, ma ọ bụkwanụ ndị binyeere ha. Ọ bụrụ na e buru ụzọ mee ka nwata mụta Igbo site n'ezinaụlọ tupu asụsụ ndị ọzọ, ọ ga-enyere ya aka

ịtapịa ihe ndị ọzọ ọ ga-eji asụsụ ndị ọzọ amụ na ndụ ya. Anozie (2003) hụtara na nwatakịrị ọ bụla na-akpa ajọ agwa bụ na ezinaụlọ ka a na-elebara ya anya. Ya bụ na o kwesiri ka e si n'ezinaụlọ gbaziere nwata ihe o kwesiri ime na ndụ.

Ọ dị mkpa ka a mata na obodo ọ bụla ji asụsụ mba ọzọ akuziri ndị na-eto eto ihe anagh[ enwe ezigbo ọganiihu na mmepe na ihe ndị ọzọ dị ka: sayensị, nkanụzụ na ọtụtụ mmepe ndị ọzọ dị iche iche. Na ọtụtụ obodo na-eme nke ọma bụ maka na ha ji asụsụ ha eme ihe ọ bụla ha na-eme. Ọ bụrụ na ha hapụrụ ihanye asụsụ ha n'aka ndị na-eto eto, ha agaghị na-enwe ụdị ọganiihu ha na-enwe maka na mgbe ndị na-eto eto mechara bụrụ okenye, e chefuola asụsụ ha na omenaala ha. Aja Akpụrụ-Aja (2008) rụtụrụ aka na ụfọdụ mba ụwa ike ha na-akpa sitere n'ikikere ịdị n'otu iji asụsụ na omenaala eme ihe ọ bụla ha na-eme. Obodo ndị a gụnyere ndị Juu, Cha[na, RỌsh[a, Japan na Gaman. Ọ bụ mkpa ọ dị ime ka ndị ntorobịa na-asụ ma na-edekwa asụsụ Igbo mere nchọcha a ji leba anya n'isiokwu a bụ " Ihe Ọdachi dị n'ịhapụrụ naanị ndị okenye isụ asụsụ Igbo".

**Ebe Nleba Anya**

Dị ka Chomsky (1986) siri kọwa, o kwuru na mmadụ ọ bụla zuru oke nwere ihe Chineke kenyere ya n'ụbụrụ ọ ga-eji mụta asụsụ ma ọ bụrụ na e nyere ya ohere n'oge ịmụta asụsụ. Asụsụ ọ bụla e buru ụzọ nye ya ohere ịmụ ka ọ ga-amụta maka na asụsụ abụghị ebumpụtaụwa. Aha Bekee Chomsky kpọrọ ihe a na-eme ka mmadụ mụta asụsụ bụ *Language Acquisition Device (LAD*) n'aha mkpirisi. Ọ bụ ya mere na onye ọ bụla zuru oke na mmadụ n'ụwa gbaa gburugburu ga-amụta asụsụ mgbe kwesiri ekwesi, nke a kpọrọ *Universal "Gammar (UG)"* na Bekee, ma kpọọ ya ụtọasụsụ Izugbe n'Igbo. A chọpụtara na ụbụrụ ụmụaka nwere ike ịmụta ọtụtụ asụsụ oge a mụrụ ha ma ọ bụ tupu ha eruo ihe e ji mmadụ eme. O so na ihe na-enyere ụbụrụ ụmụaka aka n'amamiihe, mmụta ihe n'agụmaakwụkwọ.

Ọ dị oke mkpa ibido n'oge nye nwata ọ bụla ohere ịmụta asụsụ a mụnyere ya n'ime ya nakwa asụsụ ndị ọzọ maka na a hapụ ime etu a, nwata ahụ ga-enwe nsogbu n'ịmụta asụsụ na n'ịmụta ihe ndị ọzọ a na-amụ amụ. Nke a bụ n'ihi na ọ bụ n'asụsụ ka ihe niile mmadụ na-eme hibere isi. N'ezi asụsụ, ịmụta asụsụ n'oge ga-eme ka nwata nwee ike mụta asụsụ ndị ọzọ ga-enyere ya aka nke o ga-ezute na mgbe ọ na-eto na mgbe o toro.

Dị ka Mbah na Mbah (2014:5) si kwu:Chomsky malitere isi agụgọ na atụtụ ndị otu nsina gburugburu akọwatachaghị etu nwata si mata ihe ọ maara. O soro ụkpụrụ Zellig Haris (1951) wee kọwaa na ọ dịghị nwata a mụrụ nke na-enweghị ngwa ọ ga-eji amụta asụsụ ( belụsọ ma ọ nwere nkwarụ). Ọ kọwra na e nwere akụkụ ụbụrụ mmadụ nke ọrụ ya bụ ịhụ maka nrụzi asụsụ.

Anyanwụ (2008); Agbedo (2008) na ndị ọzọ kwuru na akụkụ ụbụrụ mmadụ nke ọrụ ya bụ ịhụ maka ịrụzi asụsụ (LAD) na-eme ka mmadụ mụta asụsụ, ọ kachasị nke o buru ụzọ mee ka ọ mụta n'enweghị ihe nramahụ ọ bụla. Dị ka Yule (1996) siri mee ka a mata na ịrụzi asụsụ nke akụkụ ụbụrụ na-arụzi na-arụtụ aka iji nwayọọ mụta asụsụ, na-asụ ya dị ka ọnatarachi. N'aka nke ọzọ, Agbedo (2008) kwusiri ike na idubanye nwata n'asụsụ n'oge ọ na-eto dị oke mkpa. Mana ọ bụrụ na e meghị nke a n'oge o kwesiri, nwa ahụ agaghị amụta asụsụ. N'akụkụ nke Ndimele (1992:8), ọ kwadoro nke a site n'ịsị na "nwata ga-anọ n'enweghi asụsụ ma ọ bụrụ na e meghị ya ka ọ mụba asụsụ mgbe o kwesiri". Inyere nwata aka ịmụ asụsụ n'oge ga-eme ka ọ mụta ihe ndị ọzọ nke ọma. Mana igbochi nwata ịmụ asụsụ ga-eme ka ọ nwee nsogbu mgbe o toro ịmụta asụsụ ọ bụla.

A na-amụ asụsụ amụ. O nweghị asụsụ dị mmadụ n'ime mgbe a mụrụ ya. Nke a gosiri na asụsụ abụghị ebumpụta ụwa. Ọ bụ asụsụ a mụnyere nwata na ya ka ọ na-amụ site n'aka nne, nna na ndị bi gburugburu ya mgbe ọ na-eto. Nwata a mụrụ na Yoruba, Hausa ma ọ bụ ebe ọzọ bụ asụsụ ahụ ka ọ ga na-asụ ma ọ bụrụ na ọ bụ asụsụ ahụ ka e ji zụlite ya. N'aka nke ọzọ, nwata Igbo a mụrụ n'obodo ọzọ abụghị ala Igbo, ga na-asụ asụsụ Igbo ma ọ bụrụ na nne, nna na ụmụnne ya ndị ọzọ na-asụ Igbo n'ezinaụlọ ha dị ka asụsụ e jiri zulite ha. Dị ka Obieze (2009:88) kwuru, "mmadụ na-amụta asụsụ ọsọsọ karịa ma ọ bụrụ na o binye

n'etiti ndị na-asụ ya" irukpu n'asụsụ na-eme ka mmadụ mụta asụsụ nke ọma. Irukpunye n'asụsụ *(language immersion*) bụ mmadụ ibinyere ndị nwe asụsụ ma ọ bụ ndị na-asụ asụsụ ahụ nke ọma. Ọ bụkwaghị naanị ibinyere ndị ahụ na-asụ asụsụ ahụ kama onye ahụ ga-ewepụta onwe ya ịmụ asụsụ ahụ wee mụta ya nke ọma.

O kwesiri ka anyị mata na ihe a na-arụzi asụsụ na-ebido ịrụ ọrụ ngwa ngwa a mụrụ nwatakịrị zuru oke. Nke a bụ maka na ọ ga-esite n'ịnụ ihe, bido gewe ntị, bịazịa kwuwe okwu a naghị aghọta aghọta, ma bido ijije ndị nọ na gburugburu ya etu ha si ekwu okwu. Nchọpụta gosiri na ọ bụrụ na e nwere nwata zoo ma ọ bụ wega ya ebe ọ gaghị ahụ ndị na-asụ asụsụ, ihe a na-arụzi asụsụ agaghị enwe ike ịrụ ọrụ. E mechazie kpọpụta nwata ahụ oge ọ gafere ịmụta asụsụ, o nweghizi ike ịsụ asụsụ maka na e kweghị ka LAD bido rụziwe asụsụ mgbe o kwesiri.

Anyanwụ (2008:38) rụtụrụ aka na Chomsky na ndị otu ya na-akọwa na mmadụ niile nọ n'ụwa nwere ihe a na-arụzi asụsụ a na-akpọ LAD, nke a na-akpọzị ụtọasụsụ Izugbe (Universal Grammar – UG). Dị ka Akmjian, Farmer, Demers na Harnish (2001:452) siri kọwa, ha kwuru na mmadụ ọ bụla nwere ihe na-arụzi asụsụ n'akụkụ ụbụrụ ya nke a na-akpọ ụtọasụsụ Izugbe (UG) nke na-eme ka mmadụ nwee ike mebe okwu dị ka asụsụ si nabata. Ọ bụ nke a mere mmadụ niile zuru oke nọ n'ụwa ji amụta asụsụ n'otu oge ma ọ bụrụ na e nye ha ohere ịmụta asụsụ mgbe o kwesiri. Ụtọasụsụ Izugbe na-akọwa ka asụsụ niile dị n'ụwa siri yie onwe ha.

N'olu Mbah na Mbah (2014:80) E nwere okwukwe na mgbe a chọpụtara ihe jikọrọ asụsụ niile, ọ ga-adị mfe isi na njirimara ndị a nweta iwu ga-ekpokọta ha niile ọnụ ma gosi etu ụbụrụ nwatakịrị si amata iwu a ozigbo o zutere asụsụ ọ bụla. Nwata ga-amụta asụsụ n'efu ma ọ bụrụ na e nyere ya ohere ịmụ asụsụ n'oge. O nweghị ihe ọ ga-efu nwa ahụ n'ihi na ọ malitere ịmụ na ịsụ asụsụ ya n'oge. Asụsụ ọ bụla e buru ụzọ kuziwere nwata ka ọ na-amụta ọsọsọ ma na-asụkwa ya n'enweghị ihe nhịahụ ọ bụla. Ọ ga na-ejikwa aka ya na-amụbanye okwu dị iche iche, ma si na ya na-emebe ahịrịokwu dị iche iche zuru oke dị ka asụsụ nabatara. Nwa ahụ ga na-asụ asụsụ, ghara ịsụhie ya nke ga-eme ka o nwee mmasị ịsụ, ide na ịgụ asụsụ ahụ. Ọ ga-enye aka ka nwata ahụ too n'asụsụ ahụ ma sorokwa na-akwalite ya na omenaala ha.

Ọ bụ ihe kwesiri ekwesi na nne na nna na ndị toro eto bidoro na nwata mebe ka ụmụafọ Igbo nwebe mmasị n'ihe niile banyere Igbo. Ọ dịkwa mkpa na ha mere ka ụmụaka mata na o nweghị asụsụ ka ibe ya mma nakwa na o nweghị asụsụ zuru oke kama na ndị nwe asụsụ na-eji aka ha mee ka asụsụ ha zuo oke site na ịkwalite na ịkwado ya n'ụzọ ọ bụla.

N'iji kwado okwu ahụ dị n'elu, Akidi (2015:103) na-akọwa na:asụsụ Bekee bụburịị asụsụ na-enweghị ka ọ dị adị, ọ bụbu asụsụ a na-eleli anya mana taa, ọ bụzị asụsụ ndị mepere anya, asụsụ ndị ọgaranya na-asụ, ụwa niile ji ezi ozi, agụ akwụkwọ, arụ ọrụ gọọmentị, azụ ahịa na ihe ndị ọzọ niile.

Nke a zipụtara na isite na nwata zulite ụmụaka n'asụsụ Igbo nwekwara ike mee ka asụsụ Igbo dị ka asụsụ Bekee n'ọdịniihu. Site n'awamanya na mmepe dị ugbu a, nwata ọ bụla maara asụsụ ndị nwe ya site na nwata, ga-amata ihe niile banyere ndị be ha na omenaala ha. Nke a ga-eme na a gaghị akọrọ ya ihe ọ bụla akọrọ gbasara ndị be ha maka na ọ bụ nwa a mụrụ n'ala, nwa ala kụrụ. Ọ ga-enye aka ka o too nwee ike ịkọwa ihe ọ mụtara n'asụsụ Igbo; wee nwee ike iji ihe ndị ọ mụtara site n'ụwa mepere emepe wee soro kwalite asụsụ, nkanụụzụ, sayensị, agụmakwụkwọ, ndọrọrndọrọ ọchịchị na ihe ndị ọzọ n'ihi ọganiihu na ọdịmma nke ndị ya niile.

**Echiche Ụfọdụ Ndị Mmadụ N'Ebe Asụsụ Igbo Dị**

N'ihe gbasara asụsụ Igbo, o nwere ndị na-eche na asụsụ Igbo agahị anwụ, ebe ụfọdụ ndị na-eche ma na-ekwu na asụsụ Igbo ga-anwụnata anwụ. N'ụdị echiche a, onweghị onye a ga-ata ụta maka na uche bụ akpa, onye ọ bụla nya nke ya maka na uche onye anaghị adị ya njọ. O nweghị onye a ga-asị na echiche ya magburu onwe ya ma ọ bụ jọgburu onwe ya. Ndị ahụ na-ekwu na asụsụ Igbo ga-anwụ na-ekwu na ọ dị nnukwu mkpa

ka o nwee ihe e mere iji gbochi ya bụ ọnwụ ịkpọ asụsụ Igbo ihu. Ha kwuru ka e nwepu aka enwe n'ofe tupu onye ọbịa abịa, n'ihi na onye ọbịa bịa, ọ ghọọ aka mmadụ. Nke bụ eziokwu bụ na ndụ ma ọ bụ ọnwụ asụsụ Igbo ga-esite n'aka ndị nwe asụsụ Igbo na-enyere asụsụ Igbo, ha ana-akwado ya ka ọ ghara ịnwụ ka ha ana-akwatu ya ka ọ nwụọ.

Ndị na-akwado na asụsụ Igbo enweghị ike ịnwụ dị ka Akidi (2009:30) kwuru na asụsụ Igbo agaghị anwụ n'agbanyeghị mmegbu, nneli anya na ajọ mmeso ndị Igbo n'ebe asụsụ Igbo dị. O kwukwara na asụsụ Igbo akwụrụla. Dị ka okwu ọnụ Chinagorom (2009:4) si wee kwu: "...na nchọpụta anyị, ndị ka ji Igbo kpọrọ ihe ka nkụ, ndị ji Igbo eme ọnụ juru eju bara abara".

N'ezi asụsụ n'agbanyeghị ajọ akparamagwa ndị Igbo ụfọdụ n'ebe asụsụ Igbo dị, e nwere ọtụtụ ndi nwere mmasị n'asụsụ Igbo. Ndị na-akwalite asụsụ Igbo n'ụzọ dị iche iche karịrị akarị dị ka ụfọdụ ezinaụlọ dị iche iche, ụlọ ụka, ụlọ akwụkwọ, otu dị iche iche na ndị ọzọ. Mbọ a niile ndị a na-agba agaghị ekwe ka asụsụ Igbo nwụọ. A na-ejikwa ọnụ ọgụgụ ndị na-asụ asụsụ elere anya ọnwụ na ndụ asụsụ. Mbah na Mbah (2014:111) kwuru, "ọ bụrụ na ọnụ ọgụ ndị na-asụ asụsụ buru ibu, nke a nwere ike ịpụta na ọ agaghị anwụ ọsịịsọ". N'ihi nke a, ụjọ asụsụ Igbo ịnwụ adịghị maka na ọnụ ọgụ ndị na-asụ ya ka buru ezigbo ibu, ọ kachasị n'ime ime obodo dị n'ala Igbo. Ya bụ na nchekwube dị na asụsụ Igbo agaghị anwụ ọsịịsọ dị ka e chere.

O nwere nkwado ndị nwe asụsụ na-enye asụsụ ha iji hụ na asụsụ ha dịwagara ndụ. Nkwado a na-enye asụsụ Igbo n'ogo dị iche na-enye aka n'adịmndụ asụsụ Igbo. Gọọmentị na-enye nkwado site n'oge ruo n'oge n'ụzọ dị iche iche iji hụ na asụsụ Igbo na-adị ndụ. Iji maa atụ: Ha nabatara ya dị ka otu n'ihe ọmụmụ a na-ele ule ya n'ogo WAEC, NECO, GCE. A nabatakwara ya n'ụfọdụ mahadum dị n'ala Igbo na nzere digiri dị iche iche ruo na nke Ọkammụta (PhD). Nkwado ọzọ asụsụ Igbo na-enwetagasị gụnyere nke ndị otu dị iche iche na-epulite kwa ụbọchị ịkwado na ịkwalite asụsụ Igbo. Otu ụfọdụ ndị a gụnyere: SPILC, ISA, ONOI, Igbo Teta, Sụwakwa Igbo, Ugwu Asụsụ Igbo, *Society for Igbo Studies* (SIS) na ndị ọzọ. Ụlọ ụka dị iche iche dị ka Katolik na-agba ezigbo mbọ n'ịkwalite asụsụ Igbo. Ha na-eme nke a site n'ụzọ dị iche iche dị ka ịtụgharị akwụkwọ nsọ, ihe ọgụgụ na akwụkwọ ekpere dị iche iche n'asụsụ Igbo ma na-ejikwa ya ekpe ekpere, aka ụka, ekwe ukwe na ihe ndị ọzọ ha na-eme n'ụlọ ụka. Ndị ụka CMS, Ama Jehova, Sabat, Odozi Obodo na ụka ndị ọzọ dị iche iche na-anwakwa oko ha iji asụsụ Igbo eme ihe dị iche iche ha na-eme.

N'aka nke ọzọ, ụmụafọ Igbo dị iche iche na-agbakwa mbọ ebe ọ dị ukwuu ịhụ na asụsụ Igbọ na-aga n'ihu. Ndị dị ka P. A. Nwachukwu, F. C. Ọgbalu, Bishọp nke ụka Katolik nke Owere, Rev. Iwejuru Ugorji, S. O. Onwu, E. N. Emenanjọ, I. U. Nwadike, T. U. Ubesie, P. Ejiọfọ, P. A. Ezikeojiakụ, G. I. Nwaozuzu, B.M. Mbah, C. Ọfọmata na ọtụtụ ndị ọzọ. Nkwado na mbọ ụmụ amadị a gbara na-enye aka akwalite asụsụ Igbo, na-emekwa ka nkụzi na ọmụmụ asụsụ Igbo dị mfe ma bụrụ a kwaa ọ kwụrụ.

Dị ka Emenanjọ ( 1996:17) siri kwu, "a kwụsị ịsụ asụsụ, ya nwụọ, nwụnyụọ anya pịị. Kamgbe 6000 BC Igbo jiri kwụrụ onwe ya n'ala Igbo, ndị mmadụ na-asụ ya. N'ihi na a na-asụ ya kpatara o jiri too dị ka asụsụ ndị ọzọ siri eto..." Anyị maara na asụsụ ọ bụla a na-asụ mgbe ọ bụla enweghị ike ịnwụ anwụ, belụsọ ma a kwụsịrị ịsụ asụsụ, bụ na asụsụ ahụ nwere ike ịnwụ. Ebe ọ bụ na ndị na-asụ asụsụ Igbo n'ala Igbo taa karịrị ndị anaghị asụ ya, ọ dịghị mkpa ịtụwa anya ọnwụ asụsụ Igbo maka na nke a adịghị nso.

N'okwu Nwadike (2008), ọ na-ekwu na kemgbe ọtụtụ oge , ihe a na-anụ ebe niile bụ na ihe dị ka afọ iri abụọ ma ọ bụ karịa, na asụsụ Igbo ga-abụ ihe nwụrụ anwụ. Dị ka onye maara ihe dị n'asụsụ Igbo, ọ gara n'ihu kwusie ike na asụsụ ndị ọzọ nwere ike ịnwụ mana ọ bụghị asụsụ Igbo. A na-asụ Igbo ọtụtụ ebe, a na-ede ya nke ọma ma na-akụzi ya nke ọma n'ụlọ akwụkwọ anyị dị iche iche. O kwukwara na asụsụ e nyere ụdị ndụ a enweghị ike ịnwụ. Ihe nke a gosiri bụ na asụsụ ọbụla a na-asụ nke ọma, na-ede ya ede, na-agụ ma na-akụzi ya n'ụlọ akwụkwọ dị iche iche n'ala Igbo agaghị anwụnata ọnwụ. Dị ka Mbah na Mbah (2014:114) kwuru na:

> Ka o si metuta Igbo, o nweghị ihe e ji asụsụ eme nke a na-ejighị Igbo eme. Ugbu a, ekwe ntị ụfọdụ na-ebu ngwa nduzi ha n'Igbo. A na-asụwaga asụsụ Igbo, e ji ya azụ ahịa, e ji ya ekpe ịkpe n'ụlọ ikpe, e ji ya akpa ụbụbọ n'ụlọmmebe iwu ebe e jikwa ya akụzi ma na-agbasa ozi n'ịntanet. E nweela ndị ji Igbo mee nchọcha nzere Ọkammụta PhD ha. Igbo bụ Igbo ga-adịgide.

E lee anya n'ihe ndị a niile, ọ na-egosi na asụsụ Igbo enweghị ike ịnwụ anwụ maka na ndị so ya, so ya, sosie ya ike. Ntị ga-aha etu ahụ, e ji ya ekpuchi ụlọ? N'olu Epuchie (2009:37), o kwusiri ike sị na "asụsụ Igbo anwụghị mgbe ọ nọ n'oke mkpagbu, ọ gazighị anwụ". Okwu ya na-akọwa na ebe asụsụ Igbo anwụghị mgbe ọ nọ na mkpagbu ndọrọndọrọ ọtọgrafị, na ọ gaghị anwụzị n'ihi na e jizi asụsụ Igbo eme ihe niile e ji asụsụ mba ụwa nwere agba eme.

Ọ bụrụ na a na-ahafanye asụsụ ọ bụla n'aka ndị na-eto eto, asụsụ ahụ ga na-etokwa eto ma na-amụbawanye. Asụsụ ọ bụla ụmụ ntorobịa na-asụ ma na-ede ya na-adịwaga ndụ maka na ha ga na-agba mbọ hụ na ha hanyekwara ya n'aka ụmụ ha na agbụrụ ha na-abịa abịa. Nke a ga-enwetakwa ọganiihu nke obodo n'ụzọ dị iche iche. Ogbalu na Emenanjo (1982:228) n'ime Akidi (2018:48) kọwara na asụsụ na-adị ndụ na-abawanye, ọ kacha ma a na-echekwaba ya na-amụba ya site n'inwe ndị na-eto ọhụrụ na-asụ ya mgbe ọ bụla oge ya ruru. N'iji chekwaba asụsụ Igbo ka ọ wee mụbaa ma dịgide, o kwesiri ka e site n'ụtụtụ nta jiri asụsụ Igbo malitere nwata ndụ tupu ya bịazia mụwa asụsụ mbịara chịwa. Adịmndụ asụsụ Igbo dị ndị Igbo n'aka. Ọ bụ ha ka ọ dịịrị ijisi ike mee ka mbọ niile a gbarala maka asụsụ Igbo dịrị na-aga n'ihu. Ndị Igbo kwesikwara itinyekwa aka na-agba mbọ ị na-etinye n'ọrụ mbọ ọlọrọ ọhụrụ mba ụwa ndị ọzọ na-agba iji hụ na asụsụ na-adigide ndụ.

**Ihe Nwere Ike Ịkpata Ọnwụ Asụsụ Igbo**

A kọwaala ọtụtụ nkwado miri emi nke mere ka obi sie mmadụ ike ma nwekwaa afọ ojuju na asụsụ Igbo agaghị anwụ. Ihe ụfọdụ ndị ahụ a kọwara bụ ihe ọchọcha na-eche ga-eme ka asụsụ Igbo ghara ịnwụ. Ihe ndị a ga-adịgide ma ọ bụrụ na ndị Igbo n'onwe ha na-akwado ha na-aga n'ihu. Epuchie (2009:35) siri: "Nkapị sị na ihe na-esi ya isi dị ya n'ime. Ndị Igbo bụ nsogbu dịịrị asụsụ ha. Agwa ọtụtụ ndị Igbo n'ebe asụsụ ha nọ nwere ike ibute ọnwụ asụsụ Igbo. Asụsụ Igbo na-aga n'ihu mana ọtụtụ ihe na-agba ya mgba.

N'ebe ọ kacha njọ bụ na ọtụtụ nne na nna anaghị ekwe ka ụmụ ha mụtụ ịsụ asụsụ Igbo. Ha na-egbochi ha ịga nso n'ebe ha ga-amụta Igbo. Ọ naghị abata ha n'obi na ọ bụ ụmụaka ga-eme ka asụsụ Igbo hapụ ifu efu, funyụọ anya n'ọgbọ na-abịa abịa. Nne na nna ndị Igbo aghọtaghị na ọ ka mkpa iburu ụzọ kụziere ụmụaka ha asụsụ Igbo tupu asụsụ Bekee maka na asụsụ Igbo bụ asụsụ nne ha. Ọzọ bụ na ha mụta na-asụ asụsụ nne ha nke ọma, o nweghị asụsụ ọzọ ha ga-amụwa, ha aghaghị ịmụta nke ọma. Ma ụfọdụ nne na nna na-egbochi ụmụ ha ịmụ na ịsụ asụsụ Igbo, na-ahụta asụsụ Igbo dị ka nke ndị itibọrịbọ, asụsụ ndị amaghị akwụkwọ na ndị anaghị ahụ ụzọ. Ha na-adị na-ajụ "kedu ebe e ji asụsụ Igbo eje?"Ajụjụ ndị ahụ bụ ajụjụ ndị amaghị ihe maka na o nweghị ebe e jighị asụsụ eje.

Ọtụtụ ndị Ọkammụta na ndị ọzọ ekwusiela ya ike na asụsụ Igbo enweghị ike ịnwụ. Epuchie (2009) kwadosiri ike na asụsụ Igbo enweghị ike ịnwụ, a sị na ọ gaara anwụ, ọ gaara anwụ mgbe ọ bụ naanị Ọgbalụ na-akwado ya. Ọ bụkwa etu ahụ ka Chinagorom (2009) siri kwado okwu ahụ, na asụsụ Igbo agaghị anwụnata. O kwuru nke a n'ihi na asụsụ niile ọ nụrụ na ndị ọ maara nwụrụ anwụ enweghị ọnọdụ asụsụ Igbo nwere taa. Nwadike (2008) n'aka nke ya kwuru na asụsụ ndị ọzọ nwere ike nwụọ mana ọ bụghị asụsụ Igbo maka na o nwere ọtụtụ ndị na-asụ ya, na-ede ya ede ma na-akụzikwa ya n'ụlọ akwụkwọ dị iche iche n'ala Igbo. Emenanjo (1996) kwenyere na asụsụ Igbo agaghị anwụ n'ihi na ọ kwụụrụ onwe ya kamgbe, ndị mmadụ kana asụkwa ya. Nke a pụtara na asụsụ ọ bụla a sụrụ sụtee ya aka, ka na-asụkwa ya aga n'ihu, agaghị anwụnata anwụ. Ọzọ bụ na ihe niile e ji asụsụ eme, e jikwa asụsụ Igbo eme ha.
Dị ka Obieze (2009:88) siri kwu, "ọnwụ asụsụ abụghị ihe na-eme n'otu ntabi anya". N'ihi nke a anyị bụ ndị Igbo agaghị agbachi nkịtị na-ele sọ anya n'ihi anyị na-eche na asụsụ Igbo agaghị anwụnata. Ezigbo ọrụ dịịrị ndị Igbo niile ịhụ na ọkụ a ụmụ amaala hụrụ asụsụ Igbo n'anya munyere maka ọdịmma nke asụsụ Igbo

anyụghị. Ọ bụrụ na anyị gba nkịtị ghara ịdị na-azulite ụmụaka n’asụsụ Igbo, izulite ndị nkuzi n’asụsụ Igbo, i na-asụ na ide asụsụ Igbo ebe ọ bụla ndị Igbo nọ na iji ya arụ ọrụ otu kwesiri, asụsụ Igbo ga-eji nwayọọ nwụọ mgbe a tụghị anya ya.

Ọ bụ n’ihi mmeso ọjọọ ndị Igbo na-emeso asụsụ ha nke bụ ịnabata asụsụ mba ọzọ karịa nke ha kpatara ndị Otu mba ụwa jiri gụnye asụsụ Igbo dị ka asụsụ ga-eso na asụsụ ndị a ga-achọ achọ n’afọ 21000. Ogbo asụsụ Igbo ndị ọzọ nọ na Naịjirịa dị ka Awụsa na Yoruba ndị nwe ha na-eji asụsụ ha anya isi, site n’ịsụ ya ebe ọ bụla ha nọ, ma ndị Igbo na-eme ihere n’ịsụ asụsụ ha n’ebe ha nọ ma ya fọdụzịa ịsụ ya ebe ha na mba ndị ọzọ nọ. Nke a bụ ihe jọgburu ụdele sigbuo nkakwụ n’isi maka na onye kpọọ ọba ya mkpọkọrọ, agbataobi ejiri ya kpoo ntụ. Ọ bụ ihe onye nwere ka ọ na-enye nwa ya. Ebe ndị Igbo anaghị asụ asụsụ ha ma ọ bụ jiri ya kpọrọ ihe, kedu ka ha ga-eji hanye ya n’aka ụmụaka ha na-eto eto? N’ezi asụsụ, ọ bụ nke a na-egosi na a kpachaghị anya, na e nwere ike ịchọ asụsụ Igbo achọ maka na onye hapụ ịracha ọnụ ya, ụgụrụ anara ya rachaa.

N’ihi na ọtụtụ ndị nne na nna achọghị ka ụmụ ha mụta ma na-asụ Igbo, ọtụtụ ụmụaka Igbo amaghị asụsụ ahụ. Ọ bụ naanị ụfọdụ ndị okenye nọ n’ime obodo na ụfọdụ ndị nọ n’obodo mepere emepe n’ala Igbo bụ ndị na-asụ asụsụ Igbo. Nke a wee bụrụ igwuru asụsụ Igbo ili ọnwụ ya. E nwere asụsụ ndị Naịjirịa ọ bụ ole na ole ndị okenye na-asụ a na-ele anya ọnwụ dị ka UNESCO si kwupụta. Asụsụ ụfọdụ n’ime ha gụnyere: Ziriya, Underishi, Yangkam, Bete na Sheni. O nwekwara ọtụtụ ndị ọzọ nọ na nsogbu maka inwụ anwụ. Ole na ole n’ime ha bụ: Jala, Kubu, Luri, Shiki dgz. Asụsụ ọ bụla ọ bụ sọ ndị okenye na-asụ nọ n’ezigbo nsogbu maka na mgbe okenye ikpeazụ na-asụ asụsụ ahụ nwụrụ, asụsụ ahụ esoro ya nwụọ pịị. Asụsụ na-adị ndụ ma na-agakwa n’ihu ma ọ bụrụ na a na-enyefe ya site n’ọgbọ ruo n’ọgbọ. Ọ bụrụ na ọgbọ na-asụ asụsụ nwụchaa ma ha enyefeghị asụsụ ahụ n’aka ọgbọ ọzọ, asụsụ ahụ abụrụ nke nwụrụ anwụ. Dị ka Mbah na Mbah (2004:112) kwuru:

> Asụsụ ọ bụla na-anwụ mgbe onye ikpeazụ na-asụ ya nwụrụ. Etu o sila dị,nke a bụ naanị ezi okwu ma ọ bụrụ na e deghị ya bụ asụsụ ede. Ọ bụrụ asụsụe dere ede, e nwere ike ịkpachara anya zụwa ndị ga na-asụ asụsụ ndị nwe ya kpachapụlụra.

Okwu Mbah ha na-akọwa na asụsụ e dere ede anaghị anwụ ọsọ ọsọ. Ọ bụrụ na e dee ya ede, onye ikpeazụ na-asụ ya nwụọ, a zụwa ndị ọzọ ga-asụ asụsụ ahụ. Ihe nhịahụ dị na nke a bụ onye ahụ ga-azụwa ndị ga-asụ ya ọ makwa asụsụ ahụ nke ọma n’ihi na ọ bụghị ihe niile gbasara asụsụ ka e dere ede. Ibido n’isi zụwa ndị ga-asụ asụsụ nwụrụ anwụ ga-ahịa ezigbo ahụ. Ọzọ bụ na o nweghị ka e nwetachaa asụsụ ahụ dị ka ndị nwe ya si asụ ya. N’ihi nke a, ọ ga-aka mma ma ọ bụrụ na ndị Igbo tinyekwuo uchu izulite ndị ntorobịa ịsụ asụsụ Igbo site na nwata. Ya bụ na ọ ka mma imalite n’ezinaụlọ zụlite nwa Igbo n’asụsụ Igbo, bịazia kuziwere ya ka e si agụ na ka e si ede ya. Nke a ga-enyere aka mee ka ụmụaka Igbo nwee mmasị ma tinye uchu n’ige, ịsụ, ide na ịgụ asụsụ Igbo.

Ige ntị nke ọma ga-enyere ụmụaka aka n’ịmụta asụsụ nke ọma. Nke a ga-eduba ha n’ịsụ, ide na ịgụ asụsụ. Mgbe ụfọdụ a na-eleghara ige ntị anya n’amaghị na ọ bụ ige ntị ka nwata tosiri ibu ụzọ mụta. Ige ntị abụghị ịnụ ihe. Onye ọ bụla nwere ike ịnụ ihe beresọ onye ntị chiri mana ọ bụghị onye ọ bụla na-ege ntị. Ige ntị zipụtara ịnabata na ime ka ihe a mụrụ biri ebi na ntị. O bụkwa ịmata na ịchọpụta ozi ihe a nụrụ na-ezi. Mmụta na-esi n’ige ntị ebido. Nwata ọ bụla na-ege ntị na-amụta ihe nke ọma karịa ndị anaghị ege ntị. Ọ bụ ya ka o ji dị mkpa na nne na nna ọ bụla kụziwere ụmụ ha etu e si enwe mmasị n’ige ntị n’asụsụ Igbo na ihe ndị ọzọ a na-akụziri ha. Nke a ga-enye aka ka ha nwee mmasị n’ịsụ, ide nakwa ịgụ asụsụ Igbo na ndị ọzọ.

N’ihi na ịsụ asụsụ bụ ogo nke abụọ na nka ịmụ asụsụ,, ọ bụrụ na e mee ka nwata kwụdosie ike ịsụ asụsụ Igbo n’izizi, ọ ga-eme ya ịdị na-asụ asụsụ Igbo nke ọma na otu o kwesiri n’enweghị nsogbu ọ bụla. Ọ ga-enwekwa mmasị n’ichekwaba asụsụ Igbo maka ọdịnihu.

Dị ka Nwala (1985) siri mee ka anyị mata, na ọ bụ ọrụ dịịrị nne, nna na ndị okenye ikuziri na igbaziri nwata oge ọ na-eto eto, ha etosighị iji ọrụ ahụ dị oke mkpa gwu egwu. Mgbe nwata na-eto n'izizi, o nweghị ihe ọ ma. Ọ na-eto site na mgbaziri na nduzi ndị okenye gbara ya gburugburu. Ọ bụ ezinaụlọ bụ ebe mbido nwata n'ụzọ ọ ga-esi too. N'ihi nke a, mgbe a mụrụ nwa ọhụrụ, ọ naghị ekwu okwu. Ọ bụ ige ntị ka ọ na-ebido gewe si etu ahụ mewe mkpọtụ nwayọ nwayọ. Sitezie na nduzi na mgbazi ndị okenye, o bido kwuwe ihe ọ na-anụ ndị okenye na-ekwu. Ọ ga na-ekwuhie okwu n'izizi ma site na nduzi ndị okenye, o bidozie n'ụzọ dị etu ahụ kwuwe okwu nke ọma. Nke a gosiri na asụsụ abụghị ebumpụta ụwa. Ọ bụ asụsụ ọ bụla e bidoro kuziwere nwata, ka ọ ga-amụta ịsụ.

Nwata ọ bụla mụtara asụsụ Igbo nke ọma ga na-enwe mmasị ịsụ, ịgụ na ide Igbo. Ọ ga-enwe mmasị isonye n'ịgụ ihe ọgụgụ n'asụsụ Igbo n'ụlọ uka na ebe ndị ọzọ, jiri ya anya isi. N'ihi na o nwere mmasị n'asụsụ Igbo, ọ ga-enye aka hụ na asụsụ Igbo na-aga n'ihu site n'ịhụ na a na-asụ ya ebe niile ndị Igbo gbakọrọ. Ọ ga na-ewute ya ịhụ ndị na-asụ 'Ngligbo', ya bụ Igbo a gwara ọgwa.

**Ọrụ/Uru Asụsụ Nye Ndị Nwe Ya**
Isi ihe na-enyere aka n'izulite ụmụaka nke ọma bụ asụsụ ha. Ọ bụ asụsụ a ka a ga-eji kọwara ha omenaala ha nke ọma n'ụzọ ha ga-esi ghọta ya, nke ga-eme na ha enweghị ike ịhapụ omenaala ha ndị dị mma. Asụsụ ndị na-enye aka na mmepe obodo ọ bụla. Ọ bụ site n'asụsụ obodo ka obodo si emepe ma bụrụ a kwaa, ọ kwụrụ na sayensị na nkanụzụ. Obodo ọ bụla na-asụ otu asụsụ na-enwe ịdị n'otu nke ga-enye aka n'ịkwalite obodo ahụ n'iji otu obi eme ihe. Ọ dị oke mkpa na obodo ọ bụla jisiri asụsụ ha aka ike, maka na obodo hapụrụ asụsụ ha ma ọ bụ leghaara asụsụ ha anya, efuola ma gụpụ onwe ha n'ọnụọgụgụ mba ụwa.

**Alo**
Ọchọcha na atụ alo ndị a iji mee ka asụsụ Igbo ghara ịnwụ, ka ọ dịgide dị ka asụsụ mba ụwa ndị ọzọ dị iche iche.

1. Ọ ga-adị mma nke ukwuu ma ọ bụrụ na ndị nne na nna ejiri asụsụ Igbo zụlitewe ụmụaka ha n'ezinaụlọ ha. Ụmụ afọ Igbo kwesiri iṅomi agbụrụ ndị ọzọ e nwere na Naịjirịa dị ka Awụsa na Yoruba bụ ndị ji asụsụ nke ha anya isi, site n'iji ya eme ihe niile ha na-eme.
2. Gọmentị n'onwe ha kwesiri ịdị na-akpọ oku ma na-enwe ọgbakọ site n'oge ruo n'oge ikuzi na ịgbaziri ndị nne na nna mkpa ọ dị iji asụsụ Igbo zụlite nwata ma hapụzie ya mgbe o tolitere, ọ mụwazie asụsụ ndị ọzọ masịrị ya.
3. Ọ dị oke mkpa na ma okenye ma nwata ji asụsụ Igbo na-enwe mmekọrịta n'etiti onwe ha mgbe niile n'ihi na obodo ọ bụ sọ ndị okenye na-asụ asụsụ, asụsụ ha na-anwụ ma ndị okenye ahụ nwụchaa.
4. Gọọmentị etiti ga-eme ya ka ọ bụrụ iwu siri ike na nwa afọ Igbo ọ bụla ga-enwetarịrị asụsụ Igbo n'ule WAEC/NECO ma ọ bụ GCE tupu e nye ya ohere ịgụ akwụkwọ na madum ọ bụla dị n'ala Igbo.
5. Ọzọ dị ka ibe ya bụ ka Gọọmentị mekwaa ya ka ọ bụrụ iwu na nwa akwụkwọ ọ bụla e nyere ohere ịgụ akwụkwọ na mahadum dị n'ala Igbo ga-amụrịrị asụsụ Igbo na GST.
6. Ọ dị mkpa ka e mee ka ụmụaka ghọta na agamniihu na sayensị na nkanụzụ na abawanye nke ọma n'obodo ma ndị nwe asụsụ jiri asụsụ ha na-eme ya.
7. E tosikwara ime ka ụmụaka mata na obodo ọ bụla tụfuru asụsụ ha, atụfuola njirimara ha maka na ọ bụ asụsụ mba ka e ji ama mba ahụ.

**Mmechi**
Ọkwa ọchọcha na-ama dị ka ndụmọdụ bụ ka ndị Igbo ghara ikwe ma ọ bụ iche ka asụsụ Igbo nọrọ n'ohu n'aka asụsụ Bekee ọtụtụ narị afọ tupu ha amara ihe ha ga-eme. Taa bụ gboo bụ aha ndị Igbo na-agụ ụmụ ha. Ndị Igbo ka nwere nnukwu ohere ime asụsụ Igbo ka ọ dị ka asụsụ Bekee na asụsụ ndị ọzọ na-ewu ewu. kakwa mma ibido ugbu a zulitewe ụmụaka Igbo n'asụsụ Igbo maka Ọdịmma asụsụ na maka ugbu a na ọdịniihu. Ka ndị Igbo site ugbu a gbochie ụmụ Igbo ịbụ ohu na ọbịa n'ala Igbo maka na onye nọ n'ala nna ya ma ọ maghị asụ asụsụ nna ya, bụ onye ọbịa na ohu n'asụsụ ahụ. O kwesiri ka ndị Igbo pụọ n'ohu asụsụ Bekee na omenaala ha site n'ime ka ụmụaka site na nwata gbaa mgbọrọgwụ n'asụsụ Igbo, site n'iji asụsụ

Igbo eme ihe niile a na-eme eme ka a ghara ịhapụrụ ndị okenye asụsụ Igbo n'ihi na ime nke a, ga-achụba asụsụ Igbo n'ime ili ọnwụ.

**Edensibịa**


Agbedo, C. U. (2008*). Lnguage and Mind New Direction in Psycholinguistics*. Nsukka: Resources Konsult.

Agụgụ, M. O. (2006). *Ndị Igbo na Akụkọ Ala Ha.* Nsukka: Eva-Uniọue Enterprises.

Aja Akpụrụ-Aja (2008). Language, Culture and Power Politics: Lesson for the Promotion of Nigerian Languages and Culture: *A Realist Analysis Journal of Nigerian Languages and Culture. Vol. 10. PP. 1-14.*

Akidi, F. C. (2009). Asụsụ Igbo Dị ka Asụsụ Dị Ọkpụ Agaghị Anwụ. *Opike Journal of Igbo Languge and Culture. Vol. 1. No. 1. PP.26-33.*

Akidi, F. C. (2015). Ụfọdụ Akamgba Chere Asụsụ Igbo. Posthumous Festschrift in Honour of Late Professor Romanus Obiora Ezeuko. In S. I. Odinye, M.C. Egenti, na D. A. Orji. (Ed). Onitsha: Dyompol Publishers. PP. 99-111.

Akidi, F. C. (2018). Nsogbu Dị N'Ịhapụrụ Naanị Ndị Okenye Ịsụ Asụsụ Igbo na *Achara Jọnalụ Nkwalite Asụsụ Igbo.* Owere: Ikemba Ojukwu Centre PP. 41-57.

Akmajian, A., Demers, R. A., Farmer, A. K. Na Harnish, R. M. (2021). *Linguistics. An Introduction to Language and Communication.* Prentice Hall of India: New Delhi.

Anozie, C. C. (1999). *Lingwistiki Sayensị Asụsụ*. Nsukka: Fllada Publishers.

Anozie, C. C. (2003). *Igbo Kwenụ (Akụkọ na Omenala Ndị Igbo*). Enugu: Computer Publishers.

Anyaegbula, V. O. (2012). Vanishing Igbo and Ndị Igbo*. "What Ndi Igbo do to Reverse theTrend". Daily Sun 38th August.*

Anyanwu, P. A. (2002). Language Acquisition Concepts and Issues in Languge Sudies. Otagburuagu, , E. J. and Anyanwu, P. A. (ed). Owere: Cel-Bez.

Arisaukwu, U. (2023). Nke M Dịrị M, Onye Gba Nkịtị, Nke Ya Efuo – Obaokwu Ọnọị Vol. 1. No. 3. Owere: Seat of Wisdom Seminary.

Chinagorom, I. C. (2009). Mfụcha Asụsụ Igbo: Ịtụuche Nkịtị. *Opiike Journal of Igbo Language and Culture. Vol. 1. No. 1. Pp. 1-8*

Chomsky, N. (1986*). Knowledge of Language: Its Nature, Origin and Use*. New York: Praeger.

Crosby, M. Merryman, D. na C 0tterel, M. A. (1973). The World of Language Book G. Chicago: Follet.

Emenanjo, E. N. (1996). Olumefula: Asụsụ Igbo na Ndụ Ndị Igbo. Odenigbo Lecture Series. Owere: Assumpta Press.

Epuchie, D. N.(2009. Asụsụ Igbo n'Oge Ochie na Oge Ugbu a. *Opiike Journal of Igbo Language and Culture. Vol. 1. No. 1. Pp. 34 -38.*